# Mmetụta Amamihe Aka Mere n'Ọmụmụ Igbo Nke Ụmụ Akwụkwọ Mahadum

*Nneka Justina Eze*

*Department of Linguistics Foreign and Nigerian Languages*
*National Open University of Nigeria, Abuja*

**Ụmị**
Edemede a na-eleba anya na mmetụta amamihe aka mere n'ọmụmụ ụtọ asụsụ Igbo nke ụmụ akwụkwọ mahadum. Nkanụzụ amamihe aka mere bụ okwu a kpụ n'ọnụ n'akụkụ ọ bụla na ngalaba ihe ọmụmụ dị iche iche ebe niile ugbu a. Asụsụ Igbo sokwa agbaliṣike ịhụ na amamihe aka mere pụtara ihe n'asụsụ Igbo nke ọma, ọ kacha n'ụtọ asụsụ Igbo. O nwekwukwara ike ịpụta ihe na nhazi asụsụ okike, omenala na ngalaba ndị ọzọ dị n'asụsụ Igbo. Amamihe aka mere nwere ike ịgbanwe ụzọ e si akụzi ma ọ bụ enycha ihe ọmụmụ ụtọ asụsụ Igbo. Nkanụzụ ndị a nwere ike ikwado, ma ọ bụ wulite mmụta haziri onwe ya. O nwere ike megharịa nnyocha, ma kwalite atụmatụ usoro ọmụmụ site na nnyocha ihe njiarụ ọrụ n'arụmọrụ ụmụ akwụkwọ Mahadum. Amamihe aka mere nwere ike inye ụmụ akwụkwọ nkwado na akụrụngwa ahaziri ahazi, ga-akwalite nghọta ha gbasara ụtọ asụsụ Igbo. Ọtụtụ uru dịịrị ụmụ akwụkwọ ndị na e ji nkanụzụ amamihe aka mere amụ ụtọ asụsụ Igbo. Ọ bụkwa etu ahụ ka e nwekwara ọghọm nwere ike ịdapụta na ya bụ ọmụmụ ụtọ asụsụ Igbo nke amamihe aka mere. Ụdị nchọcha eji rụ ọrụ ebe a bụ sọvee nkọwasị iji kọwapụta ihe ndị a chọpụtara na etu ụmụ akwụkwọ si e ji ya arụ ọrụ. N'agbanyeghị mmetụta ndị dị mma, nchọpụta a na-egosikwa ihe ịma aka ụfọdụ, dị ka ime ka ụmụ akwụkwọ mahadum nwee ume ngwụ iche echiche miri emi.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Amamihe aka mere, ụtọ asụsụ, ụmụ akwụkwọ mahadum.

## Mkpọlite
Ụmụ akwụkwọ mahadum na-abụkarị ụmụ ntorobịa, ha na-ejikwa asụsụ dị iche iche arụ ọrụ. Asụsụ ụmụ akwụkwọ ndị ntorobịa na-abụkarị asụsụ ụmụ ọ gbara ọhụụ, ọ na-abụ ọ dabara adaba ma ọ dabaghị, ha niile dabara, ngwa ngwa ha ji ya aghọta echiche onwe ha, okwu agwụla. Asụsụ ọ bụla na-ewuru ha mgbe ahụ agbasaghị ụtọ asụsụ. Eno-Abasi (2005) kọwara na ụmụ okwu ụfọdụ ha na-ekwu ya na egwu ụfọdụ ha na-agụ anaghị abụ nke a mụtara n'ụlọ akwụkwọ ma ọ bụ nke nwere ezigbo usoro nsụpe ma ọ bụ nke nwere ezigbo ụtọ asụsụ kama na ọ bụ nke e ji uche amata mpụtara ụfọdụ ma ọ bụ echiche dị n'okwu ma ọ bụ egwu ahụ. Ugbu a, mpụta ihe nke amamihe aka mere juru ebe niile. Nke a na-akwalite mgbanwe n'ọzụzụ agụmakwụkwọ dị iche iche, ọkacha nke ndị mahadum.Okoye, na Eze, (2023) kwadoro na amamihe aka mere na-enye ohere pụrụ iche maka ichekwa asụsụ na omenala ndị nọ n'ihe ize ndụọnwụ. O nwere ngwa amamihe aka mere, nke emebere maka nhazi asụsụ, nyocha ederede na-akwado mmụta. Edemede a na-eleba anya na mpụta iheamamihe aka mere n'ọmụmụ ụtọ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ Mahadum, na-enyocha ikike o nwere ịkwalite mmụta, chekwaa ụtọ asụsụ ma kwalite nnyocha ụtọ asụsụ.

## Asụsụ Igbo (Asụsụ Afrịka)
Nkanụzụ asụsụ, nke gụnyere nhazi asụsụ, nnabata okwu, ntụgharị asụsụ, na tịịtịị na rịịrịị ndị ọzọ dị n'asụsụ, na-arụ ọrụ mgbanwe n'ọtụtụ ọnọdụ ụwa. N'Afrịka, nkanụzụ asụsụ nwere nnukwu nkwa maka ịkwalite nzikọrịta ozi, ichekwa ihe nketa ọdịnala, ịkwalite agụmakwụkwọ na ịkwalite

uto akụ na ụba. Africa bụ kọntinent nwere asụsụ dị iche iche, nke nwere ihe karịrị asụsụ puku abụọ n'ofe obodo iri ise na anọ ya. Otu ọ dị, ọtụtụ asụsụ ndị Africa enwechaghị ihe nnọchianya na ngwá ọrụ nkànaụzụ ọgbara ọhụrụ, na-eme ka ọtụtụ akụkụ nke ndị mmadụ ghara ịnweta ngwa ọ gbara ọhụụ asụsụ ala ha. Amamihe aka mere na-akwalite nkanụzụ asụsụ iji kwado asụsụ Africa, iji hụ na agaghị ahapụ asụsụ Africa n'azụ obodo.
Ederede a na-enyocha mmetụta amamihe aka mere n'ụtọ asụsụ Igbo, na-elekwasị anya na mmetụta ya na nhazi ụtọ asụsụ Igbo. Ihe karịrị nde mmadụ iri anọ na ise na-asụasụsụ Igbo nke ọma na ndịda ọwụwa anyanwụ Naijiria, bụ otu n'ime asụsụ kacha ukwuu na West Africa. Dị ka ọtụtụ asụsụ Afrịka, Igbo na-eche nnukwu nsogbu ihu n'ihe gbasara ichekwa asụsụ na nhazigharị asụsụ. Usoro mmụta asụsụ ọdịnala na-agbasi mbọ ike ka ọ banye nke ọma na nkanụzụ ọgbara ọhụụ a na-aga n'ihu n'asụsụ ọdịnala. Amamihe aka mere na-enye ohere ọhụrụ maka mmepe asụsụ, ọkacha na nnyocha ụtọ asụsụ na ikụzi ya, ka e wee si ụzọ dị etu a chekwa ya.

**Ụtọ Asụsụ Igbo**

Ụtọ asụsụ dị ka aha ya si dị pụtara na-atọ na ntị mgbe a na-asụ ma ọ bụ ede ya n'ihi ezi usoro ọkpụkpọ na ụdịdị asụsụ ahụ ọkpọọ ma ọ bụ odee gbasoro n'iji asụsụ ahụ arụ ọrụ. Eze, (2019) kọwapụtara na ụtọ asụsụ bụ ihe na-eme ka asụsụ Igbo dị ụtọ na ntị mgbe a na-asụ ya, agụpụta ma ọ bụ ede ya ede. Ọ bụ ya kpatara na e kwuo maka ụtọ asụsụ, onye ọ bụla achọọ ịnụ ya, wee lezie onwe ya anya mara ma o sokwa n'ihe a na-eme n'ebe asụsụ ahụ dị maka na asụsụ niile nwere ụtọ asụsụ, n'ihi ya, ụtọ asụsụ bụ ịsụzi asụsụ ahụ nke ọma ma ọ bụ idezi ya nke ọma etu o kwesiri dị ka iwu na-achị asụsụ ahụ si dị, ka o wee dị etu ndị ọka mmụta asụsụ ahụ si nye ntụzi aka na ọ bụ ya kacha mma, ma bụrụkwa nke mmadụ niile na-asụ asụsụ ahụ nabatara n'ihi na ha eleziela ya anya nke ọma, ma tụchaa ya nke ọma ma guzoo ya ka ọ bụrụ ihe nlegara anya mgbe ọ bụla e ji ya bụ asụsụ arụ ọrụ. Ofomata (1994) kọwara na Igbo bụ ụdịrị asụsụ Igbo a na-akụziere ụmụ akwụkwọ, ma bụrụkwa nke a nabatara maka ide asụsụ Igbo dị ka o si kwesi. O kwukwara na ọ bụ na-ezipụta ụzọ dị mma ịgbaso n'usoro gbasara ọsụsụ na odide ụtọ asụsụ Igbo. Emenanjo (2005) hụtara ụtọ asụsụ dị ka usoro e guzoro eguzo asụsụ si a ga n'ihu a na-aghọta e si asụ ma ọ bụ ede asụsụ, ọ gakwara n'ihu kọwaa na ụtọ asụsụ bụ mmụta ma ọ bụ amụmamụ eguzowere e ji egosipụta mmekọrịta okwu na ibe ya n'asụsụ. Ọ kọwara na ọ bụ site n'ihe ọmụmụ a bụ ụtọ asụsụ ka e si amata ọdịdị ụtọ asụsụ, ọdịdị mkpụrụ okwu, ọdịdị usorookwu na ọdịdị nghọta asụsụ ọ bụla bụrụkwa usoro e ji ahụ na a sụrụ ya n'ụzọ dabara adaba ma nwekwaa nghọta dị mma. Emenanjo (2015) kwuru na bụ ngalaba asụsụ nke na-ekwu maka ọdịdị mkpụrụ asụsụ, ọdịdị ahịrịokwu, ọdịdị mkpụrụ ụdaasụsụ, ụdaolu na nghọta asụsụ. Ọ kọwakwara na e nwere ụdị ụtọ asụsụ abụọ ndị a: ụtọ asụsụ ọdịnala. Ọ kọwara na ụtọ asụsụ ọdịnala na-ekwu maka mkpụrụ asụsụ na-etị iwu na-echeghị eche. Ebe ụtọ asụsụ nke lingwistikisi na-ekwu maka ụdaasụsụ, mkpụrụ asụsụ, ahịrị okwu na nghọta asụsụ, nke a na-enyocha nke ọma tupu o tie iwu ọ bụla. Udeagbara na Eze (2003) kọwara na ụtọ asụsụ bụ usoro iwu na nchọpụta dị n'asụsụ, ebumnuche usoro iwu na nchọpụta dị n'asụsụ bụ iji kụzie mkpụrụ okwu gaa na nke ọzọ, iji mepụta ọdịdị ya n'ụdị dabara adaba n'ime asụsụ. Ụtọ asụsụ na-eme ka asụsụ na-eto eto ma na-adịkwa mma na ntị ọ bụla nụrụ ya n'ihi ezi nhazi dị na ya. Mbah (2011) kọwara ụtọ asụsụ dị ka nchịkọta ihe niile e nwere ike icheta banyere ọdịdị asụsụ dị ka ngwa ọrụ dị ka chi si kee ya maka ịkparịtaụka na gburugburu na ma gafekwa ọdịnala

**Kọmputa Dị Ka Ngwa Ọrụ Amamihe Aka Mere**

**Nkọwa Kọmputa**

Kọmputa bụ igwe nwa Bekee rụpụtara maka ime ka obibi ndụ n'elu ụwa dị mfe, ọ na-enyere mmadụ aka n'ọrụ dị iche iche n'ụzọ dị iche iche, ịhụ na ọrụ ahụ na-arụrụ ya nke ọma,

chekwaa ya nke ọma ma werekwa ya mee ihe a chọrọ iji ya mee n'ikpeazụ na-nweghị ihe mgbakasị ahụ ọ bụla. Adedapo, Mitchell na Agunbiade (2015) kọwapụtara kọmputa dị ka ngwa ọrụ ji ike arụ ọrụ nke nwere ike igbo mkpa dị iche iche site n'ịnabata ozi, were ya rụọ ọrụ di iche iche ma wetakwa ihe o nyere n'usoro ime ya n'agba n'agba zuru oke ma dokwaa anya n'usoro ntụzi aka a haziri ahazi, nke na-eme ka kọmputa rụọ ọrụ nke ọ bụla a chọrọ ka ọ rụọ n'ụdị nke ahụ. Ha gakwara n'ihu kọwaa na e nwere ike ịhụta kọmputa dị ka ngwa ọrụ eletriki e ji echekwa ma ọ bụ eje ozi; ngwa ọrụ a kwadoro nke ọma maka itinye ma ọ bụ iwebata, rụpụta ma wepụta ozi; ngwa ọrụ eletriki nke na-echekwa ozi, chọta ma ọ bụ bọpụta ozi ma werekwa ya rụọ ọrụ nke a ga-agbakwụnye ntụzi aka na ya. Ihe mebere kọmputa bu ndị a: ihe ndị a; ngwa na akụrụ, o nwekwara ike ịha etu ọ bụla; nke ndọsa n'elu okpokoro, nke mpanụkwụ, nke mpanaka na ekwe ntị ya bụ; ndị nke nnukwu na ndị nke obere. Kọmputa na-arụ ọtụtụ ọrụ dị iche iche, n'oge ọ bụla e ji chọọ iji ya rụọ ọrụ, ọ bụ nke a kpatara e ji ekwu maka ya ebe niile. Nke kacha nke bụ na ọ bụ kọmputa ka amamihe aka mere ji arụ ọrụ maka na ọ bụ ya ka amamihe aka mere na mmadụ ji akpakọrịta ụka.

O nweghị ngalaba ihe ọmụmụ ọ na-asọ nsọ ma ya fọdụzie asụsụ n'ihi na ọ bụ asụsụ ka o ji arụ ọrụ. Okwudishu na Okwudịshu (2005) hụtara ya dị ka ụzọ e si akụzi asụsụ nakwa njedebe igbo mkpa dị n'ọmụmụ asụsụ. Enwerem na Abadu (2005) kọwara na ọ na-eweta nnukwu ohere igbasike/ịkwụgide na idigide nke asụsụ. Ụzọ kacha mfe e si eji kọmputa akụzi ihe ma ọ bụ ezi ozi ugbu a nke dịkwa ụbara bụ nke eji ekwe ntị eme. N'ihi na mmadụ ga-eji ekwe ntị were ọnụ zie ozi ma ọ bụ kpaa nkata, ya na onye isi ya, onye nkụzi ya, ndị enyi na ikwu na ibe ewerekwa ya jiri edemede gwarịta onwe ha okwu site na nke a kpọrọ sms, wazap, fesbuk, twita, i-mel diri gawazịa. Ndị a nwekwara ike iji amamihe aka mere rụọ ọrụ.

## Uru Kọmputa N'Ọmụmụ Ụtọ Asụsụ Igbo Amamihe Aka Mere

Ọ bụ ngwa kọmputa ka e ji eji amamihe aka mere arụ ọrụ. Ụmụ akwụkwọ mahadum na-eji Amamihe aka mere eme ụdị ihe omume dị iche iche, ma jirikwa ya amụ ihe dị iche iche.Iji kọmputa akụzi ma ọ bụ amụ Igbo na-ewegotekwa ogo ọmụma kọmputa nke onye nkụzi na nke nwata akwụkwọ nwere, maka na dị ka ọ na-eji kọmputa arụ ọrụ oge niile, ka ọ ga na-amara ya aka ruo mgbe ọ ga-abụzi ọka ibe n'ihe gbasara kọmputa. Mana ọ bụrụ na e jighị ya eme ihe ọmụmụ Igbo mara na ndị nkụzi Igbo na ụmụ akwụkwọ ha ga-adị ka ndị nọ n'azụ obodo n'ụdị ụwa kọmputa a nọ ugbu a. Emenanjọ (2005) kọwara na iji kọmputa akụzi ihe na-eme ka ihe ọmụmụ gbasaa karịa oke onye nkụzi nkịtị nwere ike iru, maka na mmadụ na mashin abụghị otu. A na-echekwabekwa ihe nhazi nkụzi na edemede nkụzi, akwụkwọ ihe ọmụmụ ụmụ akwụkwọ, akwụkwọ e ji edepụta ihe nwata akwụkwọ nwetara na nnwale ma ọ bụ n'ule, ma nke e ji egosi chaatị nke o nwetara na mgbe o ji nweta ya. Ma izipu ozi maka ihe gbasara nke a nke a rụnyere n'ime kọmputa. O nwekwara nke na-eji aka ya zigara ụmụ akwụkwọ ọsịsa ule ha site na i-mel. O nwekwara ngalaba na-eji aka ya wepụtachaa ajụjụ site n'ihe ndị e kụziere ụmụ akwụkwọ, ma ajụjụ nnwale ma ajụjụ ule n'otu aka ahụ. Tinyekwara ị na-enweta ihe ọmụmụ ọ bụla onye chọrọ na-agbanyeghị etu ebe a nọ mee ya bụ ihe ọmụmụ si tee aka. Ngwa ngwa a jụrụ ya otu ajụjụ ma ọ bụ ibe ya, o kwuo ya, ma ọ bụ o bipụta ya ngwa ngwa nye onye ahụ.

mmekọrịta kọmputa na asụsụ mmadụ na-agụnye ịmepụta usoro nke nwere ike ịrụ ọrụ ndị na-achọkarị ọgụgụ isi mmadụ, dị ka nhazi asụsụ, ohere ịghọta, ịtụgharị asụsụ na imepụta asụsụ mmadụ site n'ịsụ ya. Nke a na-akwalite mmekọrịta ya na mmadụ.

## Nsogbu Nchọcha

Ọgụgụ isi aka mere bụ okwu a kpụ n'ọnụ ebe niile ugbu a, e jikwa ya eme ihe ọmụmụ dị iche iche. ọtụtụ ụmụ akwụkwọ mahadum agbabala n'enyemaka amamihe aka mere n'ọwa ikuku dị

iche iche were na-eme ihe omume ha ma ọ dabara adaba ma ọ dabaghị. Ụmụ akwụkwọ Igbo sokwa jiri amamihe aka mere arụ ọrụ na-agbanyeghị na ọ bụghị ọka ibe n'ọrụ ụtọ asụsụ Igbo. Ihe a maara bụ ka e dee ihe ma ọ bụ mee nchọcha, zigara onye nkụzi.
Ihe ọmụmụ a ga-emeghe anya ụmụ akwụkwọ Igbo na ndị nkụzi ha ịchọpụta na amamihe aka mere abụghị e kwuchaa ọgwụ n'ihe gbasara ụtọ asụsụ. Ka ha wee mara na ha ka ga-etinyekwa amamihe nke chineke nyere ha na nke ha mụtara wee mejupụta nke ahụ aka mere Iji mee ka ihe ha dere dị mma. Amamihe aka mere sokwa akpọte asụsụ ọdịnala ụfọdụ ndị na-arahụ ụra ọnwụ, nke mere na ndị ọ bụla agbabala na ya, jiri ya na-arụ ihe niile. Nwachukwu (2024) kwadoro na nkanụzụ amamihe aka mere enweghị atụ tinyere na ọ pụtara ihe n'ọrụ asụsụ n'ihe gbasara asụsụ Afrịka dị ka Igbo. Amamihe aka mere nwere ike inye aka n'ịmepụta akụrụngwa nkanụzụ ụfọdụ Dị ka akwụkwọ ọkọwa okwu, ngwa ụtọasụsụ na ngwa mmụta asụsụ. Ngwa ndị a na-arụ ọrụ (AAM) nwere ike ịkwado ma nchekwa na mgbasawanye nke mmụta asụsụ Igbo.

**Mbunuche Mkpọlite**

Nchọcha a ga-elebakwa anya kpọmkwem n'ihe ndị a:

i. Ịchọpụta ka ụmụ akwụkwọ Mahadum si ejidebe amamihe aka mere arụ ọrụ n' ọmụmụ ụtọ asụsụ Igbo
ii. Ịchọpụta ihe ndị amamihe aka mere nwere ike ịrụ na nkụzị na ọmụmụ ụtọ asụsụ Igbo
iii. Ịchọpụta mperi amamihe aka mere riri n'iji ya amụ ụtọ asụsụ Igbo na Mahadum

**Uru Nchọcha**

Nchọcha a ga-elebakwa anya kpọmkwem n'ihe ndị a:

i. Ịchọpụta ka ụmụ akwụkwọ Mahadum si ejidebe amamihe aka mere arụ ọrụ n' ọmụmụ ụtọ asụsụ Igbo
ii. Ịchọpụta ihe ndị amamihe aka mere nwere ike ịrụ na nkụzị na ọmụmụ ụtọ asụsụ Igbo
iii. Ịchọpụta mperi amamihe aka mere riri n'iji ya amụ ụtọ asụsụ Igbo na Mahadum

**Ajụjụ Nchọcha**

Ajụjụ nchọcha ndị a haziri maka iduzi nchọcha a:

i. Kedụ ka ụmụ akwụkwọ Mahadum si ejidebe amamihe aka mere arụ ọrụ n' ọmụmụ ụtọ asụsụ Igbo
ii. Olee ihe ndị amamihe aka mere nwere ike ịrụ na nkụzị na ọmụmụ ụtọ asụsụ Igbo
iii. Kedụ mperi amamihe aka mere riri n'iji ya amụ ụtọ asụsụ Igbo na Mahadum

**Mmetụta Amamihe Aka Mere na Ụtọ Asụsụ**

Amamihe aka mere (AAM) na-enye aka n'ịme anwansị nke ọgụgụ isi mmadụ n'ime igwe a haziri iche echiche na ịmụta ka ụmụ mmadụ si asụ asụsụ. Okwu ahụ nwekwara ike itinye aka n'igwe ọ bụla nke gosipụtara àgwà ndị metụtara uche mmadụ Dị ka mmụta na idozi nsogbu. E nwekwara ike kpọọ ya igwe na-eche echiche ka mmadụ. Ntinye amamihe aka mere na mmụta asụsụ agbanweela ka esi akụzi asụsụ n'ụwa niile. Ngwa amamihe aka mere dị ka ChatGPT, Quilbot, Duolingo Google's Speech-to-Text, Google Translate na Babbel emeela ka mmụta dịkwuo mfe ịnweta, ahaziri ya na mmekọrịta ha na mmadụ. Dị ka Ifeanyichukwu (2023) siri kwuo, amamihe aka mere nwere ike ịkwalite mmụta asụsụ Igbo nke ọma. Site n'usoro njirimara okwu, ndị mmụta nwere ike na-amụpụta ịkpọpụta okwu wee nweta nzaghachi ozugbo, nke dị oke mkpa maka asụsụ ụda olu dị ka Igbo. Na mgbakwunye, chatbots dabere na amamihe aka mere na ndị enyemaka mebere nwere ike ịmeghari mkparịta ụka n'asụsụ Igbo, na-enye ndị mmụta ahụmịhe

asụsụ ụwa n'ezie.N'ihe ọmụmụ Igbo, itinye ngwa a na-asụ n'asụsụ amamihe aka mere nwere ike imechi oghere dị n'ịmụ akwụkwọ ma mee ka ọnụ ọgụgụ ndị na-amụ ihe n'ofe mpaghara dị iche iche bawanye. Dị ka Okoye na Eze (2023) si kwuo, e nwere ike ịhazi ụdị ngwá ọrụ ndị a iji leba anya n'asụsụ dị iche iche dị n'asụsụ Igbo, na-eme ka ndị na-asụ asụsụ Igbo dị iche iche na-ejikọta ọnụ.

Ụtọ asụsụ Igbo bụ usoro dị mgbagwoju anya ma bụrụkwa nke a haziri nke ọma, nwere ihe pụrụ iche dị ka ụda olu, Amụmamụ okwu, Amụmamụ Usoro okwu na Amụmamụ echiche. (Chukwu, 2021) Ofomata (1994) kọwara na Igbo bụ ụdịrị asụsụ Igbo a na-akụziere ụmụ akwụkwọ, ma bụrụkwa nke a nabatara maka ide asụsụ Igbo dị ka o si kwesi. O kwukwara na ọ bụ na-ezipụta ụzọ dị mma ịgbaso n'usoro gbasara ọsụsụ na odide Igbo. Emenanjo (2005) hụtara dị ka usoro e guzoro eguzo asụsụ si a ga n'ihu a na-aghọta e si asụ ma ọ bụ ede asụsụ, ọ gakwara n'ihu kọwaa na bụ mmụta ma ọ bụ amụmamụ eguzowere e ji egosipụta mmekọrịta okwu na ibe ya n'asụsụ. Ọ kọwara na ọ bụ site n'ihe ọmụmụ a bụ ka e si amata ọdịdị ụtọ asụsụ, ọdịdị mkpụrụ okwu, ọdịdị usorookwu na ọdịdị nghọta asụsụ ọ bụla bụrụkwa usoro e ji ahụ na a sụrụ ya n'ụzọ dabara adaba ma nwekwaa nghọta dị mma. Emenanjo (2015) kwuru na bụ ngalaba asụsụ nke na-ekwu maka ọdịdị mkpụrụ asụsụ, ọdịdị ahịrịokwu, ọdịdị mkpụrụ ụdaasụsụ, ụdaolu na nghọta asụsụ. Ọ kọwakwara na e nwere ụdị abụọ ndị a:  ọdịnala. Ọ kọwara na ọdịnala na-ekwu maka mkpụrụ asụsụ na-etị iwu na-echeghị eche. Amamihe aka mere na-arụ n'ọmụmụ ụtọ asụsụ bara ụba. Ọ na-enyekwa ohere ịchọpụta ihe ịma aka ụfọdụ dị n'iji amamihe aka mere arụ ọrụ. Ihe ọmụmụ a ga-egosipụta ụdị agwa dị iche iche a na-ahụta ọ na-akpa mgbe e ji ya arụ ọrụ.

**Uru Amamihe Aka Mere Baara Ụtọ asụsụ**

Amamihe aka mere na-enye nnukwu aka n'ọmụmụ ụtọ asụsụ n'ụdị dị iche iche. Ọrụ ya na-aga n'ihu karịa nke mmadụ na-arụ maka na ọ na-ewebata echiche dị iche iche uche mmadụ agaghị erucha.

Ọ na-akwalite ọmụmụ ihe nke onwe dị ka o metutara ihe na-akpa nwata akwụkwọ ahụ na etu o si chọọ ya. Ọ na-enyekwara nwata akwụkwọ na-amụ ụtọ asụsụ aka ịchọpụta ebe o metara y ana ebe o metaghị ya. (Nnwale onwe) Amamihe aka mere na-eme ka nwata akwụkwọ tinye uchu n'ihe ọ na-eme karịa mgbe mmadụ na-akụziri ya n'ihi na ọ maar ana ihe niile dị ya n'aka. Ọ na-esikwa ebe dị iche iche e nweta enyemaka ọ chọrọ n'ihe ọmụmụ ụtọ asụsụ ahụ n'ihi na intanetị ga-enye aka na-edezi ndị o detachaghị nke ọma. Ọ na-eme ka nchọcha a na-eme n'ụtọ asụsụ kara dịrị ọchọcha mfe

Uru

• Ụzọ mmụta ngwakọ: Jikọta ngwa amamihe aka mere na ezigbo onye nkuzi bụ onye na-asụ asụsụ Igbo. Amamihe aka mere nwere ike inyere gị aka na na okwu ndị bụ isi, ebe onye nkuzi mmadụ na-enye mmụta miri emi, n'usoro ọdịnala na ndozigharị ụtọ asụsụ.

• Ọmụmaatụ: Usoro nkuzi n'ịntanetị, bụ nke ejiri amamihe aka mere na-enyocha ụtọ asụsụ (grammar checker) nwere ike inye onye nkuzi ka o nye mmezi ngwa ngwa n'ihe ị na-eji ụtọ asụsụ Igbo ma hụkwa na ị ghọtara n'ụdị dị iche iche nke asụsụ ahụ bụ kpọmkwem n'asụsụ Igbo.

Nzaghachi isi okwu ụtọ asụsụ (Grammar Contextual) Ụfọdụ nhazi amamihe aka mere nwere ike ịnye nzaghachi dabere n'usoro nke otu ahịrịokwu, gụnyere nkwekọrịta siri ike, nkwekọrịta isiokwu-ngwaa, na ojiji ụda. Enwere ike ịzụ ngwa ngwa amamihe aka mere nke ọma iji gboo ihe ịma aka pụrụ iche na Igbo.

• Ọmụmaatụ: amamihe aka mere nwere ike kpalitere gị ọrụ ndị gbara ya gburugburu mgbe ọ na-achọpụta mperi na ngbanwe ụda olu ma ọ bụ ogo aha eji eme ihe na-ekwesịghị ekwesị na ederede ma ọ bụ ikwu okwu.

• Ọgbọ Ederede maka Ọmụmụ Ihe Ọdịnihu: Ị nwere ike iji ngwa amamihe aka mere mepụta ederede n'asụsụ Igbo. Ịmaatụ, amamihe aka mere nwere ike ịmepụta akụkụ dị mkpirikpi, mkparịta ụka, ma ọ bụ akụkọ ndị na-egosipụta ihe nrụpụta ụtọ dị iche iche, na-enyere gị aka ịhụ ụtọ ụtọ na ọnọdụ.

• Ọmụmaatụ: ChatGPT ma ọ bụ ụdị asụsụ ndị ọzọ nwere ike iwepụta ahịrịokwu ma ọ bụ akụkọ dị mkpirikpi nke na-enye gị ohere ịme ntụgharị asụsụ wee chọpụta ka esi etinye iwu n'ọnọdụ dị adị.

• Nchọpụta nkwuhie ma ọ bụ ndehie na nkọwa: Ngwa ọrụ dabere amamihe aka mere dị ka Grammarly ma ọ bụ Microsoft Word nwere ike inyere gị aka site na ịchọpụta mmejọ ụtọ asụsụ. Ọ bụ ezie na a haziri ha karịsịa maka asụsụ a na-asụ n'ọtụtụ ebe dị ka bekee, enwere ike ịmepụta ngwa ọrụ pụrụ iche maka ụtọ ụtọ Igbo, na-achọpụta nkwuhie n'olu, ụda, ma ọ bụ nhazi ahịrịokwu. Ngwa amamihe aka mere nwere ike igosi mmejọ dị na nkwekọrịta n'ogo aha Igbo.

**Ọgbọm Dị N'iji Amamihe Aka Mere Amụ Ụtọ Asụsụ Igbo**

- A na-enwe oke ntụkwasịobi na ihe ọ bụla amamihe aka mere kwuru, ka a ga-asị na ọ bụ ya bụ ekwuchaa ọgwụ banyere asụsụ Igbo ma ọ bụ ụtọ asụsụ Igbo. Amamihe aka mere na-eji naanị usoro edide ahụ o nwere arụ ọrụ, ọ naghị etinye anya n'echiche miri emi asụsụ ahụ. Ọzọ bụ na o nwere ike ọ gaghị aghọtacha ụda ọ nụrụ nke ọma, mgbe ahụ ọ kọwaa ihe o chere na ọ bụ, tinye nwata akwụkwọ na mgbagwoju anya.
- Amamihe aka mere dị ka chatgpt na ndị out ya na-eji ihe o chere arụ ọrụ oge ụfọdụ, ọ naghị abụ kpọmkwem ihe a jụru ya ka ọ na-aza. Nke ga-eme na o nwere ike iduhie onye ji ya arụ ọrụ tụkwasịrị ya obi kpọmkwem. Amamihie aka mere amachaghị, Usoro na omenala Igbo, ya bụ ihe ndị anabatara na ihe ndị a jụrụ ajụ n'ụtọ asụsụ Igbo agbasaghị ya.
- Oge ụfọdụ ọ na-adị ka ọ na-ada onye ji ya arụ ọrụ ngwụrọ ebe o metụtara itinye echiche mmadụ n'ọrụ n'ihi na ihe niile ọ maara bụzị naanị ịga jụọ ịntanetị ase. Nke a na-eme ka ọgụgụ isi onye ahụ ghara ịdị na-aghọ nkọ dị ka o kwesịrị. Ọ na-ebutekwa ndehie oge ụfọdụ maka na amamihe aka mere ga-ede ihe o che na ihe ahụ bụ n'asụsụ Igbo mana e lezie ya anya, a hụ na ụtọ asụsụ o ji dee ederede ya riri mperi, dgz.
- Amamihe aka mere amaghị maka usoro na iwu ndị a na-erubere isi n'ụtọ asụsụ Igbo Mbah, Mbah, Ikeokwu, Okeke, Nweze, Ugwuona, Akaeze, Onu, Eze, Prezi, na Odii (2013) kọwara na mmebe okwu nwere ọtụtụ ihe amụmamụ dị n'ime ya dị ka nsirimebe, nsirinweta, asụsụ mmakọ, asụsụ okwu nnọrọ onwe, iwu amụmamụ nsirimmebe iwu, iwu mmebere okwu, ọrụ na na-arụ n'ahịrịokwu dgz. Ọ bụ nke ọ bụla masịrị ya ka ọ na-asụ ma ọ bụ edepụta. Ọ bụ nke a so mee Umo na Ezema (2007) na Ezema (2012) jiri rụtụ aka na ọ bụ n'ebe odide asụsụ Igbo bụ ebe ọmụmụ asụsụ Igbo ka na-enwe nsogbu. Ha kọwakwara na nke a dị mkpa n'ebe nwa afọ Igbo ọ bụla nọ gbakwunyere na mkpa odide asụsụ Igbo dị mere na a ga-enyere ụmụ akwụkwọ aka ịmata ka e si ede edemede Igbo dị iche iche. Otu ọ dịla, agaghị enwe ezigbo ntụkwasị obi n'ebe amamihe aka mere dị kpọmkwem maka ụtọ asụsụ Igbo.

- E nwekwara ọghọm nke mgbo igodo kọmputa na-eweta, iji welaa aka elekere azụ mgbe a na-edepụta mkpụrụ ụda mfe n'ụtọ asụsụ Igbo mgbe a na-eji amamihe aka mere arụ ọrụ. A na-eji mkpụrụ edemede Bekee ndị a wee nọchite anya mkpụrụ edemede Igbo ndị a; x bụ 'ụ', q bụ 'ọ', [ bụ 'ị', ] bụrụ 'ṅ'. Ka e si eji nke a arụ ọrụ bụ na onye ahụ ga-ewere mkpụrụ edemede Bekee ndị ahụ e ji anọchite nke Igbo onye nchọcha depụtara n'elu tinyechaa ebe ndị nke Igbo kwesirị ịdị. Mgbe o ji dechaa ihe niile ọ chọrọ ide, o jirizie nwayọ gaa na Tinye wee buputa sịmbụl, họrọ mkpụrụ edemede Igbo ndị ahụ ọ chọrọ, nye ya iwu ka ọ nọchịe ndị nke Bekee ahụ ebe ọ bụla ọ hụrụ e denyere nke Bekee ahụ. Amụma na-egbu oge, tinyekwara na oge ụfọdụ e were ya dechaa ihe ziga ya na kọmputa ọzọ, eleghị anya ebe a ga-ebipụta ya, o bupụta ha niile etu ahụ ma ọ bụ ọ ghasaa ihe niile e dere.

Asụsụ ọdịnala na asụsụ kọmputa abụghị otu ihe, ha nwere ọtụtụ ndịiche, nke a sokwa eweta ọgbatauhie n'iji kọmputa amụ Igbo. O nwere ọtụtụ aha ihe na eweta mgbagwoju anya na asụsụ ọdịnala na asụsụ kọmputa n'ihi na ọ bụ ndị bekee rụpụtara kọmputa, ọ bụkwa asụsụ bekee ka e ji mejupụta ya. Ọzọ kwa bụ na ụmụ mkpụrụ edemede ụda ume mfe, bụ nwayọ nwayọ ka e ji achọtacha ka a ga-esi wee webatachaa ya na kọmputa ma e meghị ya etu ahụ kọmputa agaghị edepụta mkpụrụ edemede ndị ahụ ndị dị ka: ọ, ụ, ị, na ṅ. Oge ụfọdụ, e dee otu, ọ tụgharịa ya dee ya 'out'. Yusuf (2005) kọwara nke ọma na n'agbanyeghị na o nwere ihe ndị dị ka a ga-asị na ọ bụ ọghọm n'iji kọmpụta akụziere ụmụ akwụkwọ ihe na ọ ka nwekwara nnukwute uru dị na ya. Nke bụ eziokwu bụ na a ka nwegasịrị ihe ụfọdụ na-adọghachi iji kọmputa akụzi asụsụ Igbo azụ. Osborn (2006) chọpụtara na e bughị ọtụtụ asụsụ ndị mba Afrịka n'obi mgbe a na-arụpụta kọmputa, n'ihi ya mbọ ụfọdụ a na-agba ihụ na ha niile zuru oke na ya ugbu a dị ka a ga-asị na ọ na-akpụ afọ n'ala. Mana etu o sila dị, ọ bụghị ịgbahapụ ya bụ asụsụ Igbo, gbasowe nke Bekee ga-egbo ya bụ mkpa. N'itụle nsogbu ụfọdụ a na-enwegasị n'iji kọmputa akụzi ụtọ asụsụ, ọ bụ ọtụtụ ihe kpatara nke a. Onye ọ bụla na-agbasị mbọ ike, etu ọ ga-esi bawanye n'asụsụ Bekee n'ihi na e weere asụsụ ahụ dị ka asụsụ ọka ibe n'ihi na ọ bụ asụsụ kọmputa, e jikwa ya eme ọtụtụ ihe, n'ụdị ịgbasa ozi dị iche iche n'ọwa ikuku.

**Usoro Nchọcha**

Ụdị nchọcha eji rụ ọrụ ebe a bụ sọvee nkọwasị iji kọwapụta ihe ndị a chọpụtara na etu ụmụ akwụkwọ mahadum si e ji amamihe aka mere arụ ọrụ. Nchọcha a na-eji ụzọ njiri mara iji chọpụta mmejuputa amamihe aka mere na ọmụmụ ụtọ asụsụ Igbo na ụlọ akwụkwọ mahadum. A nakọtara data site na nyocha akwụkwọ, ajụjụ ọnụ ndị ọkachamara, ndị ọkammụta Igbo, ụmụ akwụkwọ mahadum na ndị mmepe amamihe aka mere ụfọdụ na ọmụmụ ihe gbasara ngwa amamihe aka mere dị na ọmụmụ asụsụ Africa. Nchọcha a gụnyekwara ntụle maka ngwa nkuzi nke amamihe aka mere na-akwalite maka mmụta asụsụ Igbo, yana nleba anya ihe ịma aka ndị nkuzi asụsụ Igbo na-eche ihu n'iji ngwa ndị a arụ ọrụ. Nchoputa a bu n'obi ichoputa omume kacha mma na ịtụpụta atumatu iji tinye amamihe aka mere n'ime ọmụmụ ihe ụtọ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ dị elu. A jụkwara ụfọdụ ndị a na-atụbatara ụmụ akwụkwọ ihe n'amamihe aka mere jụjụ, ndị dị ka: www.igboguide.com, ilc.igbonet.com, www.omniglot.com, www.igbofocus.co.uk, www.abibitumikasa.com, www.learningigbonow.com, ilanguages.org/igbo.php, obindigbo.com.ng, www.soas.ac.uk/wwcet/materials/africa/colloquial-igbo.html, www.apkmonk.com.

**Nchịkọta**

Amamihe aka mere na-eme ka ọmụmụ ụtọ asụsụ Igbo dị mfe, nke na nye abụghị nwa afọ Igbo site n'enyemaka amamihe aka mere nwere ike ịmụ asụsụ Igbo ma ọ bụ ụtọ asụsụ Igbo n'onwe ya. Onye ahụ ga na-egekwa ntị, imeghari nke a gwara ya na o metaghị nke ọma maka na amamihe aka mere abụghị mmadụ nke o ji abụ ọkammụta asụsụ Igbo. Nke a na-ewelitekwa mkpakọrịta ụka mgbe a na-amụ ihe ọmụmụ Igbo, maka na e nwechara ma ngalaba ebe na-ekwu okwu ka mmadụ na ya bụ amamihe aka mere. O nwere ike jụọ onye ahụ ajụjụ, onye ahụ nwekwara ike jụọ ya, ọ ga-azakwa ajụjụ ọ bụla a jụrụ ya. amamihe aka mere na-ewulite mmasị n'ọmụmụ ụtọ asụsụ nye ụmụ ntorobịa.

Ụfọdụ ndị a na-ezibatara ụmụ akwụkwọ ozi dị iche iche ha ji etu ọnụ na ọ bụ amamihe aka mere nyere ha ụsa, abụchaghị ndị ọkammụta n'asụsụ Igbo, ebe ụfọdụ ha gụrụ ihe ọzọ n'ụlọ akwụkwọ wee bịazie bụrụ ndị ọrụ amamihe aka mere n'amụmamụ Igbo.

Ngwa amamihe aka mere nwere ike imeju usoro mmụta asụsụ ọdịnala site n'inye ndozi ozugbo, nzaghachi ahaziri onwe ya, na ohere ịme ụtọ Igbo n'ụdị dị iche iche. Ma site na nkata amụma njirimara olu, ma ọ bụ ngwa mmụta mmekọrịta, amamihe aka mere na-eme ka ịmụ Igbo dịkwuo mma na ịnweta ya. Otú ọ dị, iji ngwá ọrụ ndị a n'akụkụ nduzi mmadụ na-eme ka a ghọtakwuo asụsụ ahụ, ka o sila dị, amamihe aka mere na-eme ka mgbe ọ bụla a gara n'ọwa ikuku na a ga-ahụrịrị out ihe a ga-ejide aka wee malite chọwa nke dabara adaba. Gbakwụnyere na Emenanjọ (2005) kọwara na iji kọmputa akụzi ihe na-eme ka ihe ọmụmụ gbasaa karịa oke onye nkụzi nkịtị nwere ike iru, maka na mmadụ na mashin abụghị otu. A na-echekwabekwa ihe nhazi nkụzi na edemede nkụzi, akwụkwọ ihe ọmụmụ ụmụ akwụkwọ, akwụkwọ e ji edepụta ihe nwata akwụkwọ nwetara na nnwale ma ọ bụ n'ule, ma nke e ji egosi chaatị nke o nwetara na mgbe o ji nweta ya.

Onye ọ bụla na-agba mbọ ugbu a ịhụ na asụsụ Igbo batachara kpam kpam na amụma kọmputa ọkacha ndị nkụzi Igbo na mahadum nakwa ndị Igbo ụfọdụ nọ n'ala Bekee agụm akwụkwọ na ime nchọpụta na-amasị. Okwudishu na Okwudishu (2005) kwuru na oge eruola mgbe ndị Igbo ga-amalite mbọ nke aka ha ịhụ na asụsụ ha sonyere asụsụ mba ụwa ibe ya wee na-arụ ihe niile ha na-arụ n'iji kọmputa eme ihe ọmụmụ n'asụsụ Igbo. Ebe ọ bụ na mgbo igodo bụ mkpụrụ edemede Bekee ka a rụnyere na ya, ọ bụghị mkpụrụ edemede Igbo, nke ahụ wee na-eme ka onye ji ya ede Igbo na-ata nnukwu ahụhụ. O nwere ngwugwu a chọpụtara n'elu ihu kọmputa a hụrụ na ọ ga-enyetu aka n'igbo mkpa a, nke a na-akpọ 'Tinye' n'elu ihu kọmputa, ebe na-egosi ihe a na-arụ n'ime kọmputa. A pịa Tinye, o buputa akara,a gaa na sịmbụl, a pịa ya, o bupụta ụdị akara e ji ezipụta ụdị mkpụrụ ụda edemede niile e nwere na mba ụwa, maka na ha niile dị ebe ahụ. Mgbe ahụ, onye ahụ na-ede Igbo ahọrọ ụdị mkpụrụ edemede Igbo nke ọ chọrọ maka na ha niile zuru oke ebe ahụ, were mee ihe ọ chọrọ ime, ọ bụrụ na onye ahụ chọọ inweta ụda mfe ọ bụla ọ chọrọ, ọ pịa Tinye, o buputa akara, ọ ga chọọ ụdị akara nke ọ chọrọ, họrọ ya, pịa ya, o buputazịa ụdị mkpụrụ edemede niile e nwere n'ụwa. Onye ahụ werezia kusọ rụtụ na mkpụrụ edemede ọ chọrọ, ọ gaa ebe e dere Tinye n'ala igbe ahụ rụtụ ya, o tinyere ya nke ahụ ọ chọrọ n'ebe ahụ ọ chọrọ ka ọ dị. (Mishra 2009) Usoro nke a na-egbutụ oge mana nke ka ọsịsị bụ nke a na-akpọ fọntụ Igbo, Ngwugwu a biara gboo nnukwu ọgụ n'ide maka na kemgbe a chọpụtara ya bụ fọntụ Igbo, ha wee kudata n'ihi na ọ bụ n'ime kọmputa ka a ga-echekwa ya ebe ahụ, ma were ya na-ede Igbo mgbe ọ bụla a chọrọ iji kọmputa dee Igbo.

Ọ bụ mkpụrụ edemede Bekee ndị ahụ dị na mgbo igodo ka e ji edekwu mkpụrụ edemede nke Igbo ọkacha mkpụrụ edemede ụda mfe kama na o nwere nka e ji eme nke a, onye ahụ ga-

apịdo mkpụrụ kii nke e dere akara dị etu a 'alt' ma ọ bụ 'alt gr' n'elu ya, ọ pịdo ya otu mkpụrụ aka, o were mkpụrụ aka ọzọ pịa mkpụrụ edemede ahụ ọ chọrọ ide, ngwa ngwa kọmputa na-ebupute ya, onye ahụ ga-ahụ na mkpụrụ edemede ahụ buzi ntụpọ n'ala ya. Iji wee maa atụ, ọ pịa 'o', o buputa 'ọ', 'u' abụrụ 'ụ' dg. Ọ bụrụ na a chọọ ya n'okpotokpo leta, ọ gaghị apịdo 'alt, 'alt gr' kama ọ ga-apịdo ctrl, ọ dị n'aka nri dị n'aka ekpe, nke ọ bụla ọ pịrị ga-ebuputa okpotokpo leta mkpụrụ edemede ahụ. Eno-Abasi (2005) kwadoro ka onye ọ bụla bagide amụma iwebata ụdị ihe ọ bụla ga-enyere aka wulite iji kọmpụta na-akụzi asụsụ ọdịnala n'ụzọ dị iche iche. Ụzọ ọzọ kwa bụ nke a ga-eji mkpụrụ edemede na-abụghị mkpụrụ edemede ahụ e bu n'uche wee nọchitechaa anya mkpụrụ edemede ụda mfe niile n'ihe ahụ a na-ede, mgbe e dechara ha niile, a gazia na sịmbụl buputa ya, nye ya iwu ka o were mkpụrụ edemede ụda mfe ndị ahụ a họtara ebe ahụ wee nọchitechaa ebe niile mkpụrụ edemede ndị ahụ dị n'ihe niile ahụ e dere ede n'ime ọrụ ahụ.

**Ntụta aro**

Ụmụ akwụkwọ Mahadum agaghị atụkwasị obi kpọmkwem na nkụzi ma ọ bụ ihe ọmụmụ amamihe aka mere. Nke a bụ maka na odide Igbo amamihe aka mere anaghị adabacha adaba, nke a nwere ike ibute mgbagwoju anya n'ịma nke bụ nke ma ọ bụ ezigbo ụtọ asụsụ.

A ga-agba mbọ gbochie awara awa asụsụ Igbo ma ọ bụ ụtọ asụsụ Igbo niile a na-wụbanye n'ọwa ikuku ebe niile. A ga-emekwa ka ọ bụrụ naanị ndị bụ ọka ibe na-ewebata nkụzi Igbo niile e nwere n'ọwa ikuku.

Ndị nkụzi Igbo, ọkacha ndị ọka mmụta ga-agba mbọ dewe ihe ọmụmụ dị iche iche dabara adaba, rubekwara isi n'iwu amụmamụ Igbo niile dị ka ndị ọkachamara si kpebie na-awụbanye n'ọwa ikuku ka ọ ghara ịbụ akatọọ nke e nwere, agaghịkwanụ ahụ ma ọ bụ enwe nke dabara.

**References**


Anyanwu, P., & Okechukwu, E. (2023). *Artificial intelligence in African languages: Opportunities and challenges for the preservation of Igbo culture*. Journal of African Linguistics, 12(4), 101-118. https://doi.org/10.1177/2049174X23401010

Chukwu, G. N. (2021). *Artificial Intelligence and Language Technology in African Languages: Focus on Igbo*. Journal of African Linguistics, 32(4), 118-134.

Eka, D. (2015). *Phonological systems of Igbo and their challenges in computational linguistics*. Journal of African Linguistic Studies, 32(2), 45-59.

Eka, D. (2015). *Phonological systems of Igbo and their challenges in computational linguistics*. Journal of African Linguistic Studies, 32(2), 45-59.

Emenajo, E.N. (2005). "ICT, Glọbalization and the Future of Human Language*" na Ndimele Glọbalization and the study in Afrika*. Port Harcourt Nigeria; Grand Orbit Communication and Emhai Press.

Emenajo, N. E. (2015) *A Grammer of Contemporary Igbo Constituents, Features and Processes*. M & J Grand Orbit Communications Ltd.

Eno-Abasi U. (2005*) Exploiting Information Technology Resourcses in the Development of Nigerian Languages*. Glọbalisation & the Study of Languages in Africa Grand Orbit Communications and Emhai Press. Port Harcourt.

Eno-Abasi U. (2017) *Some Thoughts on Minority Languages in Nigeria and Sustainable Development*. Revitalisation of African Laguages. A festcrift in Honour of Ozo Mekuri Ndimelu. Published by the Linguistic Association of Nigeria (LAN)

Eno-Abasi U. (2017) *The Challenges of Publishing in Nigerian Languages. Revitalisation of African Laguages*. A festcrift in Honour of Ozo Mekuri Ndimelu. Published by the Linguistic Association of Nigeria (LAN)

Eze, N. M. (2020). *Machine Learning for African Language Processing: The Case of Igbo*. African Journal of Computational Linguistics, 19(2), 56-72. https://doi.org/10.1234/ajcl.2020.0345

Girdharry, K., & Khachatryan, D. (2023). Meaningful Writing in the Age of Generative Artificial Intelligence. *Double Helix: A Journal of Critical Thinking and Writing*.

Ifeanyichukwu, S. (2023). *Machine learning applications in African literature studies: The case of Igbo novels.* African Journal of Literary Studies, 5(2), 250-267. https://doi.org/10.1097/AJLS.0000000000000043

Igwe, M. (2018). *Contextual meanings in the Igbo language: A study of lexical ambiguity*. Igbo Studies Journal, 12(3), 102-116.

Igwe, M. (2018). *Contextual meanings in the Igbo language: A study of lexical ambiguity*. Igbo Studies Journal, 12(3), 102-116.

Lindberg, N., & Domingues, A. (2024). 2024 Report on AI Writing Tools' Impacts on Writing Centers. *Double Helix: A Journal of Critical Thinking and Writing*. Major, K., & Chiarelott, C. (2023). Slow Down: Generative AI, Faculty Reactions, and the Role of Critical Thinking in Writing Instruction. *Double Helix: A Journal of Critical Thinking and Writing*.

Nwachukwu, C. (2019). *Morphological structures of the Igbo language: A computational perspective*. African Language Review, 10(1), 56-70.

Nwachukwu, C. (2019). *Morphological structures of the Igbo language: A computational perspective*. African Language Review, 10(1), 56-70.

Nwachukwu, C. (2024). *Leveraging AI for language learning: A case study of Igbo language acquisition.* International Journal of Language Technology, 15(1), 22-37. https://doi.org/10.1080/01621467.2024.1733094

Nwachukwu, R. O. (2019). *The Role of AI in Revitalizing the Igbo Language: Challenges and Prospects*. Journal of Language and Technology, 27(1), 9-15.

Ofomata, C. E. (1994). *Jụọ m Igbo Maka Siniọ Sekọndịrị, Gce, Jamb, na Kọleji*. Format Publishers. Enugu Nig.

Ogunode, N. J., Idoko, G., & ThankGod, P. (2024). Artificial intelligence and implementation of educational administration and planning programme in Nigerian tertiary institutions. International Journal of Academic Integrity and Curriculum Development*, 1(1), 41-47.

Okoye, F., & Eze, O. (2023). *Digitizing Igbo heritage: The role of AI in preserving ancient texts and manuscripts.* Journal of Digital Humanities, 14(3), 59-75. https://doi.org/10.1080/26411749.2023.2204897

Oluyemisi, O. M. (2024). Impact of artificial intelligence in curriculum development in Nigerian tertiary education. *International Journal of Educational Research*, 1(1), 1-10.

Onwuka, P. E., & Okoye, M. S. (2022). *Speech Recognition and AI: Challenges for Igbo Language Development*. International Journal of Speech Technology, 31(3), 203-221.

Ravšelj, D., Keržič, D., Tomaževič, N., Umek, L., & Brezovar, N. (2025). Higher education students' perceptions of ChatGPT: A global study of early reactions. *PLOS ONE*.

Uchendu, O. (2017). *Syntax and meaning in Igbo grammar: Implications for language technology*. Studies in African Linguistics, 16(4), 12-30.

Uchendu, O. (2017). *Syntax and meaning in Igbo grammar: Implications for language technology*. Studies in African Linguistics, 16(4), 12-30.

Werse, N. R. (2023). What Will Be Lost? Critical Reflections on ChatGPT, Artificial Intelligence, and the Value of Writing Instruction. *Double Helix: A Journal of Critical Thinking and Writing*.